# ATỤRỤ JOSEF MKPỌRỌ

**Jenesis 39:16, 19-23; I Pita 2: 19-24**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 34 - Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nnwaputa nke okwukwe- unu nāluputa ntachi-obi" (Jemes 1:3)**

**Ọ Dị Anya Site N'ụlọ**

Mgbe erere Josef nye Ndị Ishmael ewepụwo ya n'ala Kenean rue ebighịebi. Ọ dịghị kwa mgbe ọ bụla ọ bịara leta ụlọ ọzọ; ọ dịghị kwa mgbe ọ bụla ọ hụrụ ndị èzinaụlọ ha rue mgbe iriarọabụọ gasịrị mgbe ụmụnne ya bịara Ijipt n'ihi iheoriri. Ọ hụrụ nna ya n'anya nke ukwuu, ma eleghịanya ọbụná ụmụnne ya kwa, ọ hụrụ ha n'anya bụ́ ndị náakpọ ya asị̀, n'ihi na mgbe ọ rọrọ nrọ̀, ọ naagwa ụmụnne ya banyere ha; ma mgbe nna ya zigara ya ka o jéé ogologo njèm rue Shekem ịchọpụta maka ọ dị mma ụmụnne ya, o jere n'enweghị mgbarụiru. Ọ gaenweworị óké nwute nke agụụ iru ụlọ dịka ọ rapụworo ihe niile ọ matara ma hụ kwa n'anya wee ga n'ala ndị náamaghị Chineke ebe ndị ahụ náadịghị efè Chineke òfùfè..

Ụfọdụ mmadụ ka ọ naagbagwojuanya ihe mere Josef agbanarịghị ndị Ishmael. Ụzọ ha site na Dọtan rue Ijipt dururu ha ndịda, náeduru n'ụzọ ụlọ ha, ma eleghịanya otù ebe na njèm ha agaghịadị óké anya site n'ụlọ nna ya. Ma Josef bụ ezi nwa nke Chineke, ma eleghịanya, o nwewo mmetụta na Chineke naekwenye ka óké ihe ndakwasị a dakwasị ya n'ihi ihe nzube ụfọdụ, ma o ji obiya niile náechere oge nke Chineke ikpughe àtụ̀màà̀ụ̀ Ya.

**Ntachiobi Nke Josef**

Ọtụtụ mgbe anyị adịghị enwe ntachiobi mgbe ọnwụnwa dị icheiche naabịakute anyị, anyị naechefu na Chineke naahụ́ ọgwụgwụ site ná mmalite na ọ gaghị ekwenye ka ihe ọ bụla rute anyị ma ọ bụghị n'ihi ọ dịmma nke anyị na n'ihi otuto Ya. Ọ gaatọworị Chineke ụtọ mgbe o lekwasịrị, Josef anya wee hụ ntachịobi nke dị nime ya irubeisi nye ndị zụrụ ya wee gaa n'Ijipt, náekwenye na Chineke gaechebe "na-enweghị ntụpọ site n'ụwa." Jekob, náarụghịụkà, agwawo yarịị banyere ajọ omume Ndị Ijipt, wee dọọ ya akanántị banyere mmehie ndị dị otú ahụ; ọ bụ ezie na Josef gbara arọ iri na asaa, o kpebiwo ibi ndụ n'okwukwe nke ndị nna ya, Abraham, Aisak na Jekob. O nwere otù mkpebi ahụ nime obi ya dịka Daniel nwere mgbe ọtụtụ arọ gasịrị mgbe adọtara ya n'agha ga Babilon o wee "tinye nka n'obi-ya na ọ gagh ewere ihe-oriri ọma eze ma-ọbu manya-vine ọ nāñu me onwe-ya ka ọ ghara idi nsọ" (Daniel 1:8).

Ndị Midian rere Josef nye Potifa onye nọ nọkwá dị elu n'ijéozi nye Eze Fero. Ọ bụghị ihe ndaba na Josef ruru nso alaeze ahụ. Chineke na-edu ụzọ-ya ma na-ejikere ya n'ihi ọlụ-ya n'ọdị-n'iru.

Omume ọma nke Josef bụ ihe onye-nwe-ya chọpụtara ọsọsọ. Dịka nwa nke Chineke, ọ lụrụ ọlụ náafọ òfùfò náagbarụghị iru; ọlụ ahụ ọ lụrụ wee nwee ngọzi nke mere na Potifa matara na Chineke nọnyere ya. Nke ahụ emetụbeghị, n'ihi na ndị Ijipt adịghị efè ezi Chineke ahụ. Nke a bụ kwa ihe ịrụtụaka ọzọ ebe Chineke gọziri ndị mmehie n'ihi onye nke Kraist onye nọ n'etiti ha, dịka emere mgbe Jekob na Leban biri.

**Ikwesị Ntụkwasị obi nke Josef**

Potifa nwere ntụkwasịobi zuruòkè n'ebe Josef nọ, O wee rapụ ihe niile o nwere n'aka ya. O nyochaghị kwa ihe ọ bụla Josef mere. Anyị naahụ́ ọtụtụ ugbò mgbe ndị mmehie naachọ ka Ndị Kraist lụara ha ọlụ mgbe ha chọrọ onye kwesịrị ntụkwasịobi, maọbụ onye gaedebe ihe nzuzo ha. Oge ụfọdụ ha na atụkwasị ọbịa obi bụ́ onye náebi ndụ nke ezi nwa Chineke karịa ịtụkwasịobi onye èzinaụlọ nke ha. Ọ bụ ihe dị mkpà nke ukwuu nye onye ọ bụla náasị na ọ bụ OnyeKraist ibi ndụ ka ụwa nwe ike ịmata na ọ dị otú a wee tụkwasị kwa ya obi.

Eleghịanya Josef gaechèworị ugbu a na ebe ọ natara óké iruọma mgbe náadịghịanya ọ gaamata ihe mere o ji bịarue Ijipt. Ma na mberede ihe ọma niile o nwere ka anapụsịrị ya. N'ihi na ọ jụrụ imehie megide Chineke na nna ya ukwu, atụgidere ya asị wee tụba ya n'ụlọmkpọrọ. Josef gaekweworị ịnwụọnwụ karịa imehie megide Chineke ya, ya mere ọ hụrụ ahụhụ nke náezighịezi.

**Ịhụahụhụ Nime Ntachị obi**

Ọzọ anyị naahụ́ ụdị ndụ nime Josef na nke Daniel. Ebokwara Daniel ebubo ụgha o wee gaa mkpọrọ -- nime olùlù ọdụm ahụ -- ma Chineke soro ya wee nápụta ya. Josef gaechèrè nwa mgbe ntà karịa n'ihi nnapụta (ọ nọrọ ihe ra ka arọ atọ n'ụlọmkpọrọ); ma Chineke nọnyekwara ya. Ọ hụtara iruọma n'ebe ụlọmkpọrọ nọ onye rapụrụ ya ka o mee otú ọ masịrị ya náelegideghị ya anya n'inye mpịazi ihe niile o mere. Ọzọkwa n'ebe a Chineke gọziri ihe niile o mere. Ihe ịrịbaàmà dị añaa ka ọ bụ bụ́ nke Josef na Daniel gosịrị n'inwe mmụọ nke Kraist mgbe ha hụrụ ahụhụ ndịa nke náezighịezi náenweghị ntamù maọbụ ịnwa inwe ya! Pita sịrị banyere Jisọs "Onye, mgbe anēkwutọ Ya, (Ọ) dịgh-ekwutọghachi ọzọ; mgbe Ọ nāhu ahuhu, Ọ dịgh-aba nba; kama Ọ rara Onwe-ya nye n'aka Onye ahu Nke nēkpe ikpé ziri ezi" (I Pita 2:23). Onye ahụ nke náekpé ikpé ziriezi bú Chineke; ma Josef rara onweya nye Ya ewee gọzie ya nke ukwuu n'ihi ime otú ahụ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Chineke Ọ̀ nọnyere Josef n'ụlọmkpọrọ?
2. Ọ̀ dị mgbe ọ bụla anaachọta mmụọ nke mmegwara nime ezi OnyeKraist?
3. Kwue otú Kraist si gosi ntachiobi n'ahụhụ niile .
4. N'ihi mmehie ònye ka Kraist hụrụ ahụhụ wee nwụọ?
5. Gịnị ka anyị gaamụta site ná ntachịobi na nrubeisi nke Josef?